# ỌGWỤGWỌ NKE NWOKE GERASA AHỤ ONYE NWERE MMỤỌ NÁ-ADỊGHỊ ỌCHA

**Mak 5:1-20**

**IHE Ọ̀MỤ̀MỤ̀ 79 - Nke NdỊ-okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Onye nābiakutekwam M'gagh-achupu ya ma-ọli" (Jọn 6:37).**

**I Ịga Njèm Ebere n'Ókè Osimiri Nke Kraist Gara**

1. Jisọs na-agafe óké osimiri ahụ, Mak 5:1; Luk 8:26
2. Otù nwoke nke mkpà na-akpà bịakutere Jisọs wee kpọọ isi-ala nye Ya, Mak 5:2-6; Luk 8:27, 28; Matiu 9:13; Luk 19:10
3. Enyere mmụọ ahụ ná-adịghị ọcha iwu ka o si nime ya pụta, Mak 5:7, 8; Luk 8:29; Mak 1:27

**II Onyeiro Nke Mmadụ Niile**

1. Ndị mmegide ahụ ka amatara dịka ndị mmụọ ná-adịghị ọcha, Mak 5:9, 12; Luk 8: 30; Job 1:7; Ndi Efesọs 6:12
2. Legion ahụ nke ndị mmụọ na adịghị ọcha ka ewedara n'ala ma mee kwa ka ha ghara inwe ike ọ bụla n'iru Ọkpara Chineke, Mak 5:10; Luk 8:31; Matiu 28:18; Ndi Filipai 2:9, 10
3. Achụpụrụ setan, Mak 5:11-13; Luk 8:32, 33; 4:35, 36; Ndi Kọlọsi 2:9; Matiu 8:32; 17:18; Ọlu Ndi-ozi 5:16; 19:11, 12
4. Ọbụná nime ngosipụta nke ebere a Jisọs gosipụtara, ndị obodo ahụ rịọrọ Ya ka Ọ pụọ n'ala ha, Mak 5:14-17; Luk 8:37; Matiu 8:34; 2 Timọti 3:8

**III Mgbanwe Site N'Amara Dị nsọ**

1. Mgbanwe nke ime mmụọ na-eweta omume ọhụụ nke a na-ahụ́ anya, Mak 5:15, 19; Luk 8:35; 2 Ndi Kọrint 5:17; Taitọs 3:5
2. Nwoke ahụ chọrọ ka ya na Jisọs biri, Mak 5:18; Luk 8:39; Abù Ọma 73:25
3. Jisọs nyere nwoke Gerasa ahụ ọlụ ọ ga-alụ, Mak 5:19; Luk 8:39; Abù Ọma 107:2; Matiu 10:32, 33; Ndi Rom 10:10; Ọlu Ndi-ozi 4:20; Aisaia 62:6
4. Ịgba àmà banyere ọlụ ebube nke Jisọs na-eju ndị mmadụ anya, Mak 5:20; Matiu 15:30, 31; Luk 4:37

## NKỌWA DỊ ICHE ICHE

**Ịchọ Ndị Ahụ Furu Efu**

Chineke akwụsibeghị ịchọ obi nke ụmụ mmadụ. Ọkpara Chineke adịghị atụfu oge ịrapụ iri iteghete na iteghete ijé ijè dị anya, ma ọ bụrụ na ọ dị mkpà, ime ka otù mkpụrụobi nke furu efu laghachi nime ìgwè atụrụ ahụ (Jọn 10:11; Luk 15:4-7). Akwụkwọ Nsọ mere ka ọ pụta ìhè na Jisọs bịara "ichọ na izọputa ihe nke furu-efu" (Luk 19:10). N'ihi nke a ka Jisọs ji jee n'obodo ndị Gerasa n'ofè ọzọ nke Óké osimiri nke Galili. Ọ kụziwororị igwè mmadụ ahụ ilu dị iche iche, ma mgbe anyasị ruru, O wee gwa ndị ná-eso ụzọ Ya na ha ga-eje n'ofè ọzọ nke óké osimiri ahụ. Eleghịanya ndị ná-eso ụzọ Ya enwewororị olileanya maka ijé ebe ha ga-ezu ike, ma Jisọs nwere àtụ̀màtụ̀ ọzọ dị iche iche. Ọ matara na ọ dị otù nwoke nọ ná nsogbu n'ofè ọzọ nke óké osimiri ahụ -- onye nwere mmụọ ná-adịghị ọcha, nwoke nke nọ n'iruuju, onye setan kekwara agbụ. Ka nwoke ahụ nwere mmụọ ná-adịghị ọcha na-ejégharị n'akụkụ mmiri n'abalị ahụ gbara ọchịchịrị nke jupụtakwara n'óké ajọ ifufe, ma eleghịanya, o nwere mmetụ nime onweya nke ná-achọ ụzọ ka mma iji bie ndụ.

Ka Jisọs na ndị ná-eso ụzọ Ya na-agafe óké osimiri ahụ, ajọ ifufe malitere, ebilimmiri wee ná-amaba n'ụgbọ ahụ. Ndị ná-eso Ya kpọkuru Jisọs, Onye baara ifufe ahụ mbà, sị kwa ebilimmiri ahụ dị jụụ . Ihe ha hụrụ juru ha anya, dịka o jukwara ndị ahụ anya mgbe O mere ka óké ifufe ahụ nke dị nime ndụ nke nwoke ahụ nwere mmụọ ná-adịghị ọcha dajụọ.

**Inyeaka Nke Ndị Ná-enweghị Inyeaka**

Mgbe ugbọ ahụ rutere n'ótú, otù nwoke nke legion mmụọ ọjọọ dị nime ya zutere Jisọs. Mmehie anapụwo ya ezi uche ya. Mmụọ ọjọọ ahụ abụrụwo ihe ná-achị ma ná-edu kwa ya, nke mere na ndị mmadụ agbalịwo inyere ya aka site n'iji mkpọrọ kee ya ma ọ na-akụjisi ha. Ọ na-eje n'ebe ahụ a na-eli ozù, were kwa nkume ná-eyikasị onweya arụ̀, ná-eti kwa mkpu nime ihe mgbu nke mkpụrụobi ya abalị na ehihie. Eleghịanya mmadụ pụrụ iche na nwoke a agafewo ọnọdụ nke inyere ya aka, ma Jisọs bụ inyeaka nke ndị ná-enweghị onye inyeaka, olileanya nke ndị ná-enweghị olileanya. "N'ebe madu nọ nka bu ihe anāpugh ime, ma apuru ime ihe nile n'ebe Chineke nọ" (Matiu 19:26).

Nwoke a hụrụ Jisọs n’ebe dị anya, wee gbaa ọsọ kpọọ isiala nye Ya, Jisọs wee baara mmụọ ahụ ná-adịghị ọcha mbà, nye kwa ha iwu ka ha si kwa nime nwoke ahụ pụta. Ndị agha nke mmụọ ọjọọ niile ahụ (dị ọtụtụ nke mere na akpọrọ ha Legion) enweghị ike ọ bụla n’iru Jisọs. N’okwu ọnụ Ya ha **mere ngwa** wee rapụ nwoke ahụ, ná mkwenye Ya, ha bara nime igwè ézi, wee daba nime óké osimiri, mmiri wee gbàgbuo ha. Site n’okwu ọnụ nke Jisọs emere ka nwoke ahụ nwere onweya bụrụ kwa onye agwọrọ ma n’arụ ma na mkpụrụobi.

**Ihe Ha nwere Dị Ha Mkpà Karịsịa**

Mgbe ndị obodo ahụ nụrụ ihe ahụ nke meworo, ha mere ngwa ngwa bịakute Jisọs. Anyị agụtaghị na obi tọrọ ha ụtọ banyere mgbanwe nke batara nime nwoke ahụ nwere mmụọ ná-adịghị ọcha, bú nwoke nke ha tụwororị egwù, onye iti mkpu ya mewokwara ka ha tụọ óké egwù n’oge abalị. Ọ dị ka ha aghọtaghị kwa na ọ bụ ihe baara ha onwe ha urù, mgbe emere ka onye ahụ nke ná-eme ka ha nọọ n’izendụ ghọọ ezi mmadụ. Akwụkwọ Nsọ sịrị na ha tụrụ egwù. Ọ ga-abụ na ha tụrụ egwù n’ihi akụn’ụba ha nke funarịrị ha -- bụ ụzọ ha si enweta ihe ha ji eriju afọ.

Ọtụtụ mgbe ụmụ mmadụ na-elefuru ọlụ ebube nke Jisọs na-alụ anya, n’ihi na ha na-elegide anya n’ihe nke a na-ahụ̀ anya kama ile ihe nke ime mmụọ. Ha pụrụrị ịhụ́ ọbụná ndụ ahụ nke ejiri ike Chineke gbanwe, ma ha apụghị kwa ịhụ́ ma ọ bụ mata ihe wetara mgbanwe ahụ. Ka anyị ghara ịrapụ inye Chineke otuto na nsọpụrụ n’ihi ọlụ ebube nke Ọ lụrụ nime ndụ anyị na nke Ọ lụrụ nime ndụ ndịọzọ, ka anyị onweanyị ghara isite n’okwu ọnụ, na omume, sị kwa Onyenzọpụta pụọ dịka ndị Gerasa sịrị Ya. N’ezie, ọ ga-adịworị ndịọzọ nọ n’ebe ahụ chọrọ mmetụ aka ọgwụgwọ nke Jisọs, ma emere ka ngọzi nke ime mmụọ na nke ihe ana-ahụ̀ anya ghara irute ha n’ihi na ha rịọrọ Ya ka Ọ pụọ.

**Ike Dị N’Ọbara Ahụ**

Onyinye amara nke nzọpụta dị ebube, nke bụ́ mgbe “amuru madu ọzọ” (Jọn 1:12, 13; 3:3-21) o wee si n’ọnwụ baa ná ndụ, bụ́ nke Ọkpara Chineke zụtara n’elu obe. Nzọpụta bụ̀ ihe mmadụ na-enweta n’otù ntabi anya, ewee site n’ọchịchị nke ekwensu wepụta ya baa ná mnwekọ nke ya na Jisọs; ọ bụ ihe a na-enweta site n’iji obi etiwara etiwa na nke egwepịara egwepịa bịakute Jisọs, ná-arapụ mmehie niile, ma were kwa ndụ niile nke onye ahụ nye Ya. Ọbara nke Nwaatụrụ Chineke ahụ awụsịrị na-asachapụ mmehie niile mgbe awụsara ya nime obi nke ná-echègharị. (Gụọ 1 Jọn 3:8-10).

N’Aisaia isi iri ise na atọ, anyị chọpụtara na ọ bụghị náání mkwà nke Onyenzọpụta na Onyemgbapụta ka ekwere kama ekwekwara mkwà nke Onye ọgwụgwọ Nsọ. Àtụ̀màtụ̀ nke mgbapụta jikọtara ọgwụgwọ nsọ, n’ihi na nime àtụ̀màtụ̀ ukwuu nke Chineke, Ọ kwadobewo ihe niile na-akpà ndị Ya. Site n’ọnwụ nke Jisọs n’elu obe, Ọ kwụrụ ụgwọ nke ọgwụgwọ nke mkpụrụobi na arụ. N’Ọpupu 15:26, Chineke kwupụtara ya n’ụzọ doro anya na Ya Onweya bụ̀ Onye ná-agwọ ndị Ya; mkwà Ya niile bụ̀ kwa eziokwu bụrụ kwa nke ná-adịghị agbanwe (Ọnu-ọgugu 23:19; Aisaia 40:8; 1 Pita 1:25). Ike Chineke agbanwebeghị n’ụzọ ọ bụla; Jisọs Kraist dị kwa otù aka ahụ nyahụrụ na taa, e, ru kwa mgbe niile ebighị ebi (Ndi Hibru 13:8).

Chineke na-eme ka o doo anya n’inye ndụmodụ ka atụkwasị Ya obi mgbe niile, ka anyị nwee ntụkwasịobi anyị n’ike dị n’Ọbara ahụ maka ịgwọ ọrịa. Agwara anyị na Jemes 5:13-15 ihe anyị ga-eme mgbe anyị na-ahụju anya. Ọbụbụ ọnụ diịrị onye ahụ nke ná-atụkwasị mmadụ obi, wee mee ka anụarụ bụ́ mmadụ bụrụ ogwè aka ya (Jeremaia 17:5), ekwekwara mkwà nke ngọzi nye onye ahụ nke ná-atụkwasị Chineke obi (Jeremaia 17:7).

**Onye Ahụ Nke Ná-ekuru Gaa Ikpé**

Ọ dị onyeiro nke dị taa, nke ná-agbalị igbochi ụmụ mmadụ ịbịakute Chineke, nke ná-eji kwa mkpọrọ nke mmehie kee ha agbụ, ná-eme kwa ka ha dị ka ndị ná-enweghị onye inyeaka dịka nwoke ahụ nke nwere mmụọ ná-adịghị ọcha. Setan bụ̀ onye ná-achọ ka o mee ụmụ mmadụ ka ha bụrụ ndị mmehie dọtara n’agha; ma Jisọs bịara “ikechi ọnya ndi obi-ha tiwara etiwa, ikpọsa ọrira gwa ndi adọtara n’agha, na ikpọsa nmeghepu ulo-nkpọrọ gwa ndi ekere agbu” (Aisaia 61:1). Chineke chọrọ ka ụmụ mmadụ kwere n’Okwu ahụ, mgbe ahụ ha ewee bụrụ ndị mmeri site na Jisọs Onyenwe ike niile nke dị n’Eluigwe na nime ụwa.

**Enyere Ike Ijéozi**

Ọchịchọ nke nwoke Gerasa ahụ bụ̀ ka ya na Jisọs nọdụ, ma Kraist chọpụtara na onye ga-agba àmà nye obodo ahụ dị mkpà. Nwoke a onye bụ́ ọlụ ebube dị ndụ ka enyere ndụmọdụ ka o jekuru ndị nke ya ma gbaà kwa àmà banyere ike nke Chineke. Ọ pụrụ ichetara ha ụdị mmadụ ya onweya bụriị na mbụ: na otú mmehie siworo nápụ ya ezi uche na ihe ọma niile nime ndụ ya; na Jisọs bịakwara, baara mmụọ ọjọọ ahụ niile mbà, wee chụpụ kwa ha. Mgbe ahụ ka ya onweya nwere udo nime mmụọ ya, na izu ike nke mkpụrụobi ya. Otù ụzọ nke ọ pụrụ iji kelee Onyenweanyị banyere ihe O meere ya bụ̀ irubeisi wee gbaà àmà banyere óké mgbanwe ahụ nke batara nime ndụ ya. Mgbe ọ na-eme nke a, o juru mmadụ niile anya.

## AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE

1. Gịnị bụ̀ ọnọdụ nke nwoke Gerasa ahụ?
2. Gịnị kpatara ọnọdụ ọjọọ a?
3. Gịnị bụ̀ náání ihe ọgwụgwọ nke diịrị ya?

4. Òlee ụdị mmadụ a ga-eji tụnyere ya n'ụbọchị nke taa? Gịnị bụ̀ kwa ngwọta dịrịị ya?
5. Ndị Gerasa, ha bụ́ ụdị mmadụ dị añaa?
6. Gịnị mere arịrịọ ha jiri dị iche n'ebe nke nwoke ahụ nwere mmụọ ná-adịghị ọcha dị?
7. Gịnị bụ̀ ijéozi nke enyere ya, gịnị bụ̀ kwa mmetụta nke a nwere n'ebe ndị ahụ nọ?